**Ọrụ Mmwulite Omume Ọma na Agwa**

Onye ahụ nke akpọrọ unu kwesịrị ntụkwasị obi, Ọ ga-emekwa ihe O kwuru.
***1Tesalonaịka 5:24***

# Nnyocha Akwukwo

## Humilitas: Isi Ihe Furu Efu na Ndụ, Ihụnanya na Nduzi.

John Dickson

N'ime akwụkwọ ya, Humilitas, Isi ihe furu efu na ndụ, ịhụnanya na nduzi, John Dickson nyere nkọwa gbasara ihe bụ umeala n'obi, otu o si malite ịdị mkpa na omenala a, na otu o si emetụta ndụ kwa ụbọchị. Ọ na-egosi na umeala n'obi bụ isi ihe dị mkpa na nduzi, nke a na-egosipụta site n'ụkpụrụ siri ike n'uche ọrụ mmadụ na àgwà umeala n'obi n'akụkụ nile nke ndụ. N'ikpeazụ, o ji inye aro gbasara otu mmadụ ga-esi zụlite umeala n'obi na ndụ ya mechie.

Dịka Dickson si kọwaa ya, ịdị umeala n'obi bụ ike mmadụ nwere isi n'ọkwá dị elu o nwere n'obodo were ike ahụ jeere ndị nọ n'ọkwá dị ala ozi. Ya mere, mmadụ nwere ike ịdị umeala n'obi, sie ike n'obi, ma nwee nke ọma. Asụsụ atọ ochie gosipụtara echiche a: Hibru (anawa), Grik (tapeinos), na Latin (humilitas). Ha atọ nwere echiche bụ na mmadụ na-ahọrọ ịhapụ ọkwá ya wee jiri mmetụta, na akụ ya mee ihe maka ọdịmma nke obodo. Ya mere, enwere mpaghara atọ dị mkpa n'ịdị umeala n'obi: mmadụ nwere ùgwù, mmadụ dị njikere ime ihe, na mmekọrịta mmadụ na ibe ya.

Nduzi na-eji ngwa ọrụ anọ arụ ọrụ: ike, ikikere, mmanye obi, na agwa. Ngwa ọrụ ndia sitere na ịdị umeala n'obi na mmekọrịta. Ewepu nke ọ bụla, onye ndu ga-ada na imetụta obodo n'ụzọ dị mma. N'otu oge ahụ, ịdị umeala n'obi gbadoro ụkwụ na-ịghọta na mmadụ nwere ma ike obi ma ike ịdamba. Ya mere, ịdị umeala n'obi gụnyere ma echiche nke ùgwù dị n'ime ya na echiche nke njedebe. A na-egosipụta nke a ma na mmekọrịta mmadu na Chineke na mmekọrịta mmadu na ibe ya. Ndị Gris agba ochie kọwara àgwà ọma a dị ka ihe nrite, nke pụtara na iheoma ya na anya gbara ma kwesịkwa otito. Ọ bụ ya mere na anyị na-atụkwasi mmasị na ndị ndu ahu dị umeala n'obi. Ndị dị otú ahụ nwere ike ịgbanwe ndu ndị gbara ha gburugburu nke oma.

Jesu Kraisti gbanwere obodo mgbe O ji obi ya niile gaa n'elu obe. Tupu oge ahụ, mba ndị na-elekwasị anya n'nsọpụrụ na ihere dị ezigbo mkpa n'ime obodo. N'ebe a, ndụ gbadoro ụkwụ na-inweta nsọpụrụ na izere ihere. Ya mere, a gaghị ele ịdị umeala n'obi anya dịka àgwà ọma. Mgbe Jesu nwụrụ n'elu obe, obodo gbanwere agbanwe ebe ọ bụ na Ọ họọrọ ime onwe ya ka ọ dị ala maka ihi ndị ọzọ, ihe abụọ ndi a apụghị nnabata n'obodo nsọpụrụ na-asọ ihere. Pọl dere n'akwukwo Ndị Filipaị 2:3-8 na mmadụ kwesịrị ibi ndụ na-ịdị umeala n'obi, na-ahụta ndị ọzọ dịka ndi ka ha onwe ha mma. Ụkpụrụ a biara buru ihe dị mkpa ná ndụ ndị mmadụ nọ n'omenala ahụ.

Dickson kwuru na G K Chesterton chetaara anyị na mpako mmadụ na-egbochi ịdị mma. Kama nke ahụ, anyị kwesịrị ịdị umeala n'obi ka anyị wee mụtakwuo ihe ma metụta ndị ọzọ. N'ezie, ọ bụ àgwà umeala n'obi na-eduba na-ịma ihe ọmụma na nkà ọhụrụ, na-eme ka mmụta na uto dịrị. Nke a na-emepe ohere maka nkwalite ndị ọzọ. Ọ karịrị inwe aha ọma; gbanye mgbọrọgwụ n'ezi omume. Nke a na-eduga n'ike nkwalite dị ukwuu n'ahụ ndị ọzọ, ọbụnadị ịgba ha ume itolite ruo n'ọkwa dị elu. Iji mee nke a, mmadụ

aghaghị iji nkwanye ùgwù na obi enyi mesoo ndị ọzọ omume, ọ bụrụgodị na anyị ekwenyeghị n'echiche ha.

Dickson nyere aro isii maka ịbụ onye dị umeala n'obi karịa. (1) Ihe anyị hụrụ n'anya na-akpụzi anyị. (2) Itụgharịa uche na ndụ ndị dị umeala n'obi. (3) Mee nnwale echiche iji kwalite ịdị umeala n'obi. (4) Kpaa agwa umeala n'obi. (5) Nabata nkatọ. (6) Chefuo banyere ịdị umeala n'obi. Iji too n'ịdị umeala n'obi, mmadụ ga-ebu ụzọ mata na ya adịghị umeala n'obi, kama ya na-agba mbọ ịdị umeala n'obi.

Akwụkwọ a na-enye ọnọdụ maka ịdị umeala n'obi ka mmadụ wee nwee ike ịghọta nzube ya na uru ya. Itinye nghọta ndị a ga-aba uru dị ukwuu ma ọ bụrụ na mmadụ chọrọ ịbụ onye dị umeala n'obi karịa.